Otú E Kwesịrị Isi Na-efe Chineke (Nkebi nke 1)

O si n'isi nke 15 n'akwụkwọ *Gịnị Ka Baịbụl Na-akụziri Anyị?* Ọ dịkwa na jw.org/ig.

IHE Ị GA-EJI AKWỤKWỌ A EME: Jiri ya chọpụta ihe ndị i kweere na ihe mere i ji kwere na ha. Jirikwa ya mụta ihe Baịbụl na-akụzi na otú i nwere ike isi kọwaara ya ndị ọzọ.

Ọ BỤ OTÚ NIILE E SI EFE CHINEKE DỊ YA MMA?

1 CHỌPỤTA IHE NDỊ I KWEERE

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị ee?

Gịnị mere ụfọdụ ndị nwere ike iji sị mba?

Gịnị ka **gịnwa** kweere?

Gịnị mere i ji kwere ihe a i kweere?

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

2 LEE IHE BAỊBỤL NA-AKỤZI

Anyị kwesịrị ife Chineke otú dị ya mma.

(Gụọ isi nke 15 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị,* paragraf nke 1-4.)

Gụọ Matiu 7:21-23.

Olee ihe Jizọs kwuru gosiri na mmadụ ikwu na ya kweere na Jizọs ma ọ bụ na Chineke abụghị ebe okwu biri?

Gụọ Matiu 7:13, 14.

Gịnị mere na o kwesịghị iju anyị anya na imirikitiimi ndị mmadụ amatabeghị otú dị mma e kwesịrị isi na-efe Chineke?



Ọ bụrụ na ị mata otú ezigbo ego na-adị, ọ ga-adịrị gị mfe ịmata nke bụ́ kanta. Otú ahụ ka ọ ga-abụ ị mụta gbasara ezigbo okpukpe, ya adịrị gị mfe ịmata okpukpe ụgha

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

Ị ga-amata ndị na-efe Chineke otú dị ya mma n'ihe ndị ha kweere na otú ha si akpa àgwà.

(Gụọ isi nke 15 n'akwụkwọ *Baịbụl Na-akụziri Anyị,* paragraf nke 5-14.)

Gụọ Abụ Ọma 83:18, Matiu 20:28, na 2 Timoti 3:16, 17.

Gịnị ka ndị na-efe Chineke otú dị ya mma kweere gbasara Chineke, Jizọs, na Baịbụl?

Gụọ Matiu 24:14, Mak 12:17, na Jọn 13:35.

Olee otú ndị na-efe Chineke otú dị ya mma si egosi ya n'agwa ha na-akpa kwa ụbọchị?

Gịnị mere obi ji sie **gị** ike na ọ bụ Ndịàmà Jehova na-efe Chineke otú dị ya mma?

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

3 OTÚ Ị GA-ESI AKỌWA IHE NDỊ I KWEERE

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Okpukpe nke ọ bụla nwere ebe ha dị mma.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọ bụ eziokwu na e nwere *ndị* chọrọ iji obi ha niile fee Chineke n'okpukpe niile. Ma, m kweere na ọ bụ naanị otu okpukpe na-efe Chineke otú dị ya mma n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ ASỊ…

Okpukpe m so n'okpukpe ndị kachanụ n'ụwa. O nwenụghị otú ọ ga-esi bụrụ na ndị ahụ niile nọ na ya na-efe Chineke otú na-adịghị ya mma.

I NWERE IKE ỊSỊ ONYE AHỤ…

Ọtụtụ ndị nwere ike ikweta n'ihe a i kwuru. Ma, mụnwa ekwetaghị n'ihi na…

_____

_____

Olee amaokwu Baịbụl i nwere ike ịgụrụ onye ahụ?

_____

Ebe ọ bụ na ị matala ihe onye ahụ kweere, olee otú ị ga-esi jiri amaokwu Baịbụl ahụ nyere ya aka?

_____

www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania